# MBỤRỤ METỤTARA NTAJI ANYA NA NSIRIHỤNDỤNDỊ IGBO

**Ethel OdinakachiOrji**

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
odywisdom@yahoo.com

## Ụmịedemede

Mbụrụ so n'atụmatụokwu e ji ekwu okwu n'ụzọ mkpuke mgbe a chọrọ ikwu ihe na-ata arụ na ntị,ebe ntaji anya pụtara ihe mmadụ nwere ejughị onye ahụ afọ kama ọ na-elegara onye ọzọ anya n'ihe onye ahụ nwere.Nchọcha a lebara anya na mbụrụ metụtara ntaji anya na nsirihụndụ ndị Igbo. E nwebeghị onye mere nchọcha n'isiokwu a bụ mbụrụ metụtara ntaji anya na mbụ. Nke kpalitere nwa nchọcha ime nchọcha a. Mbunuuche nchọcha a bụ ịkọwa ihe ntaji anya pụtara, ịchọpụta ihe ndị na-ebute ntaji anya, ịchọpụta echiche mbụrụ dị iche iche metụtara ntaji anya na nsirihụndụ ndị Igbo. Nka e jiri mee nchọcha a bụ nchọcha e dere ede nke a chọpụtara site n'ọba akwụkwọ dị iche iche nakwazị ajụjụ ọnụ a gbara ndị maara nke ekwe na-akụ n'amụmamụ Igbo. Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ njirimee nakwa atụtụ ncheke nke bụ iji ihe nhụrụnanya mado nke nhụrụnuche. Ka e mechara nchọcha a, a chọpụtara na ntaji anya bụ otu n'ime agwa ọjọọ a na-ahụ n'etiti mmadụ na ibe ya, a chọpụtakwara na e nwere okwu mbụrụ dị iche iche metụtara ntaji anya n'Igbo nakwazị ihe ndị na-ebute ntaji anya. Ụfọdụ okwu mbụrụ metụtara ntaji anya a chọpụtara gụnyere; anya mgbakasị, anya ụfụ, iwe obi, asịrị, ekworo, ụfụ obi, ebe ihe ndị na-ebute ntaji anya a chọpụtara bụ: agamniihu, mmụọ ịsọ mpi, nkewa, anyaukwu, ibu iro, esemookwu nakwa e nweghị afọ ojuju. Na mmechi, nwa nchọcha na-atụ aro ka onye ọbụla nwere mmasị n'ịmụ asụsụ Igbo tụmadụ n'ebe o metụtara amụmamụ ncheke were akwụkwọ nchọcha a gụọ n'ihi na ọ ga-abụ ihe ntuzi aka n'ebe ihe ọmụmụ banyere mbụrụ dị.

## Glọz

Nke a bụ ntụziaka ga-enyere ọgụụ aka ịghọta okwu ọhụrụ ụfọdụ dị n'ime nchọcha a. E dere ha n'Igbo ma nye ihe ha pụtara na Bekee ka ọgụụ wee ghọta ebumnobi nwa nchọcha.

| | | |
|---|---|---|
| Atụtụ njirimee | - | Use theory |
| Atụtụ ncheke | - | Cognitive theory |
| Nhụrụnanya | - | Concrete |
| Nhụrụnuche | - | Abstract |
| Amụmamụ ncheke | - | Cognitive study |
| Agwara | - | Feature |
| Ntunyere | - | Target |
| Nsinaebe | - | Source |
| Atụtụ nsinagburugburu | - | Behaviourism |
| Atụtụ nsinaụbụrụ | - | Mentalism |
| Ọwa ndịniime | - | Containment Schema |
| Ọwa ndịnụụzọ | - | Path schema |
| Ọwa ndịniike | - | Force schema |
| Aha nnọchi | - | Metonymy |
| Mbụrụ | - | Metaphor |
| Nsara echiche/Nsara uche | - | Mental space |
| Ụzọ mkpuke | - | Indirectly |

Mpụtaraokwu - Meaning

## Mkpọlite

Obodo ọbụla nwere asụsụ ha na-asụ. Nke a pụtara na ọ bụ asụsụ ka e ji amata ebe onye si. Asụsụ niile nwekwaziri nghọta mana nke a apụtaghị na o nwere onye maara mpụtara nghọtaokwu ọbụla n'uju. Ọ bụ n'ihi nke a ka ọtụtụ ndị ọkammụta dịka Ndimele (1999) na Agbedo (2002) jiri kwuo na nghọtaokwu kpọmkwem bụ ihe hịara nnukwu ahụ n'ihi na ọtụtụ okwu na-enwe karịa otu nghọta. N'amụmamụ ncheke, mbụrụ nwere nsarauche nke mere na ọ bụghị nghọta o nwere n'amụmamụ agụmagụ ka o nwere n'amụmamụ ncheke. N'ebe a, a na-echebanye echiche ime iji ghọta echiche dị n'okwu mmadụ kwuru ka e wee ghara inwe mgbagwuoju anya.

## Nkọwa mbụrụ

Mbụrụ dị ka Ngoesi (2004) kọwara bụ "atụmatụokwu na-egosi na ihe a na-ekwu maka ya bụzị ihe ọzọ iji gosi ka akparamagwa na ọdịdị ha siri bụrụ otu". Ịmaatụ Ngoesi nyere bụ: "Obi bụ mbe".Mbah na Mbah (2014) kọwakwara mbụrụ dịka otu n'ime atụmatụokwu na-esikarị ike ịghọta mana site n'ihe mmadụ maara na mbụ, nwaafọ asụsụ ọbụla na-aghọta ya n'egbughị oge. Ịmaatụ ha bụkwa: "Ọkafọ bụ mbe".

E lee anya n'ọmụmaatụ Ngoesi na nke Mbah na Mbah, a ga-ahụ na ha abụọ yiri, naanị ihe dị iche bụ Obi na Ọkafọ. Mbah na Mbah kọwara na 'mbe' na 'mmadụ' abụghị otu. Ọ bụ nke a mere na mgbe e kwuru na mmadụ bụ mbe, mmadụ ga-ewega echiche ya n'agwara mbe, kedu ka mbe si akpa agwa? Nke a ga-enye aka ịghọta na Ọkafọ bụ mmadụ mana ọ na-akpa agwa ka mbe. Ya bụ na o nwere agwara mbe.

Chinwe na Udoka (2012) kọwara mbụrụ dịka "atụmatụokwu na-egosi na ihe abụọ a na-ekwu maka ha bụ otu ihe kpọmkwem. Ha gara n'ihu kọwaa na ọ bụrụ na myiri kwuru na "A" yiri "B", mbụrụ ga-ekwu kpọmkwem na "A" bụ "B". Ha kọwara na ihe e ji ezipụta mbụrụ n'asụsụ Igbo bụ - "Bụ" Ịmaatụ ha nyere bụ - "Ọ bụ agụ".

Onuchukwu (2013) kọwara mbụrụ dịka "otu n'ime atụmatụokwu e nwere n'asụsụ Igbo e ji achọ edemede maọbụ okwu mma". Ọ gara n'ihu kọwaa na mbụrụ bụ ịsị na ihe dị otu a iji wee zipụta maọbụ gosi nke ọma íhé ihe ahụ a na-ekwu maka ya bụ site n'ihe ya na ya dị n'otu ụdị.

Fich (2000) na nkọwa ya kwuru na mbụrụ bụ atụmatụokwu na-eji njirimara otu ihe atụnyere ihe ọzọ. Mbụrụ na-eme nke a site n'ihe abụọ yitere onwe ha n'agwara. McGregor (2009) sịrị na mbụrụ bụ iji echiche ihe na-arụgara aka n'echiche ihe ọzọ. Lakoff (1987) kọwapụtara mbụrụ dị ka ihe ọzọ dị mkpa mmadụ si ahazi ma na-ezipụta echiche ya iji gosipụta ihe na-eme n'ụwa. Lakoff na Turner (1989) kọwara na mbụrụ yitere myiri mana mbụrụ na-arụgara ntụnyere ya aka kpọmkwem. Ihe nkọwa ndị a pụtara bụ na mbụrụ anaghị eji ihe atụnyere ihe ọzọ kama ọ na-ekwu íhé ìhé ahụ bụ kpọmkwem.

Malmkjer (2002) kọwakwara mbụrụ dịka ịhụ ihe maọbụ ghọta ihe ahụ dịka ihe ọzọ. Ha gara n'ihu kọwaa na ihe ahụ ga-enwe otu n'ime agwara ndinime ihe a na-ekwu maka ya zipụtara.

Saeed (2003) n'aka nke ya kwuru na mbụrụ na-enye aka n'ịghọta otu ihe dịka ihe ọzọ. Nke a na-akọwa na mgbe mbụrụ na-arụ ọrụ dịka atụmatụokwu Igbo, ọ na-emetụkarị echiche nhụrụnanya na nke nhụrụnuuche.

Ọfọmata (2013) na nkọwa nke ya kwuru na mbụrụ nwere ka o siri yitewe myiri n'ihi na ha abụọ na-atụle ihe abụọ atụle mana ihe dị iche na ha bụ na myiri na-asị na ihe dịka ihe ọzọ, ebe mbụrụ na-ekwu na ihe bụ ihe ọzọ.

Chinwe na Udoka (2012) kọwapụtakwara ihe ụfọdụ dị iche iche e ji ezipụta mbụrụ. Ha bụ: nkịta, agụ, ụsụ, akpị, ezi, aghụ, unyi, osimiri, udele, egbe, ọkụkụ udummiri, mbe, okwute, jakị, aja, ewu, edi. Iji maa atụ: mgbe e kwuru na mmadụ bụ agụ, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ siri ike. E kwuo na nwoke ahụ bụ ụsụ, ọ pụtara na nwoke ahụ jọrọ njọ nke ukwuu. E kwukwaanụ na mmadụ bụ egbe, nke a pụtara na ọ na-ezu ohi.

Site na nkọwa ndị a e nyereela, nwa nchọcha kwenyere na ha niile ma chọpụtakwa na okwu a bụ mbụrụ bụ asụsụ nka maọbụ okwu a na-echemi echiche ime na ya tupu a ghọta ya nke ọma. Mbụrụ na-ekwu etu ihe dị kpọmkwem.

Udechukwu, Ogbuagụ na Nnyigide (2015) kọwara mbụrụ dị ka atụmatụokwu e ji asị na ihe bụ ihe ọzọ a kpọrọ aha. Ịmaatụ ha nyere bụ:
'Ifeọma bụ edi', 'Oge bụ ezi' d.g. Ha kwuru na ọ bụ agwara 'edi' na 'ezi' ka e ji tụnyere Ifeọma na Oge n'otu n'otu.

Deignam (2003) kọwara mbụrụ dị ka atụmatụokwu, nke na-eji otu mkpụrụokwu ma ọ bụ nkeji ahịrị wee sị na ihe bụ ihe ọ bụghị n'anya mmadụ site n'agwara ndịnime ihe a na-ekwu maka ya zipụtara. Ihe Deignam kọwara ebe a pụtara ihe na mkparịta ụka ndị Igbo.
Ịmaatụ: 'Nweke bụ ezi'. N'ebe a, Nweke bụ mmadụ mana o zipụtara agwara dị n'ime ezi.

N'echiche nwa nchọcha, mbụrụ bụ okwu nka okwuu ji ezipụta echiche mgbe ọ chọrọ ka a ghara ịghọta ihe ọ na-ekwu n'usoro nkịtị. Mbụrụ so n'atụmatụokwu e ji ekwu okwu n'ụzọ mkpuke mgbe a chọrọ ikwu ihe na-ata arụ na ntị maọbụ ikwu ihe nwere ike ibute esemokwu n'etiti mmadụ na ibe ya.

**Njirimara mbụrụ**

Mbụrụ nwere ihe dị iche iche e ji mara ya. Saeed (2007) kọwapụta njirimara anọ mbụrụ nwere, nke mbụ bụ na mbụrụ n'oge ụfọdụ nwere ike ịgbanwe ma nweta echiche maọbụ nghọta sitere n'echiche ọhụrụ. Njirimara nke abụọ bụ na mbụrụ na-enwe ezi ụkpụrụ maọbụ usoro ọ na-agbaso. Nke a pụtara na mbụrụ anaghị eji naanị otu ihe atụnyere ihe ọzọ kama ọ na-eji ntụnyere na nsinaebe wee zipụta echiche a nabatara nke ọma. Njirimara nke atọ bụ na a ga-enwerịrị ebe mbụrụ si nke a ga-eji tụnyere ihe ọzọ. Nke a pụtara na a bịa n'iwube mbụrụ, ihe abụọ ga-agbarịrị elu na ya. Njirimara nke anọ bụ na mbụrụ nwere ike inwe nsinaebe na-ezipụta ihe a hụrụ n'anya ebe ihe ntụnyere bụ ihe nhụrụnuche. Iji maa atụ: 'Okeke bụ ikuku'. N'ahịrịokwu a, Okeke bụ ihe a na-ahụ anya ebe ikuku bụ ihe nhụrụnuche.

**Ntaji anya**

Okwu a bụ ntaji anya bụ okwu dị mkpa ma gbaa mgbọrọgwụ n'isiokwu a iji gosi na ọ dị nnukwu mkpa ka a kọwaa ya. Chinwe na Udoka (2012) kọwara ntaji anya dịka otu n'ime agwa ọjọọ adịghị mma ka mmadụ na-eme. Akwụkwọ Nsọ, n'akwụkwọ Pol degaara ndị Galeshia isi nke ise amaokwu nke iri na itoolu (Gal.5: 18), Ọ kọwapụtara ntaji anya dịka mkpụrụ nke anụ ahụ na-amị nke ekwesighị ka a na-ahụ n'ime ndị nke Kristi. Ntaji anya n'echiche nwa nchọcha pụtara ihe mmadụ nwere ejughị onye ahụ afọ kama ọ na-elegara onye ọzọ anya n'ihe onye ọzọ nwere.

Ọfọmata (2013) n'ebe ọ kọwara maka agwa ọma na agwa ọjọọ kọwapụtara ntaji anya dịka otu n'ime agwa ọjọọ ala maọbụ obodo na-asọ nsọ. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọ dịghị uru a na-erite n'inwere mmadụ ntaji anya.

**Ntulegharịatụtụ**

A ga-akọwa atụtụ dị iche iche metụtara nchọcha a, dịka:

**Atụtụndịna ncheke**

Lakoff na Johnson tupụtara atụtụ ndina ncheke n'afọ 1980 n'ihi ndọrọndọrọ dị n'etiti atụtụ nsina gburu gburu na atụtụ nsinụbụrụ. Atụtụ a na-akọwa na a gaghị eleghara ọrụ ụbụrụ maọbụ gburu gburu na-arụ mgbe ọbụla a chọrọ ịmata echiche okwu ọbụla. Atụtụ a kwetara na ngwa mmụta asụsụ dị mkpa n'ịmụ na ịghọta asụsụ mana n'aka nke ọzọ, ha kwuru na ọ bụrụ na nwata buru ngwa mmụta asụsụ pụta ụwa mana o nweghị ihe ọ hụrụ na gburu gburu, ọ gaghịkwa amụta ihe ọbụla. Ha gara n'ihi kọwaa na ọ bụ ntọala gburu gburu na-enye kpatara e ji akọwanwụ ihe nhuruuche n'agbanyeghị na a naghị ahụta maọbụ metụ ya aka.

**Atụtụnrụmaka**

Atụtụ a dị ka Udemmadụ (2018) siri kọwaa bụ atụtụ na-eleba anya na mmekọrịta dị n'etiti mkpụrụokwu na ihe ọ na-egosi. Ụdị atụtụ a na-apụtakarịcha ìhè n'ahaaka. N'ebe a, a na-enwe aha na nrụgosi ihe ọ bụ. Ịmaatụ,

- Ekwentị = ihe mmadụ na ibe ya ji gi akparịta ụbụbọ
- Chukwu = Onye kere eluigwe na ala.

N'atụtụ a, mpụtara mkpụrụokwu na-esite na mmekọrịta dị n'etiti mkpụrụokwu na ihe ọ na-ezipụta. Dịka ahaaka na-arụgara mmadụ na ebe aka, ahaizugbe na-arụgara ọtụtụ ihe ndị nwere otu njirimara aka, ngwaa na-arụga aka n'emereme, nkọwa na-ekwu maka njirimara onye maọbụ ihe, ebe nkwuwa na-ekwu maka etu ihe siri mee.

Iri mperi atụtụ a bụ na mgbe ụfọdụ, a naghị akọwanwu mmekọrịta dị n'etiti ahauche (dịka, echiche, iwe, ụtọ, dg.) na aha e nyere ha. Ọzọ bụ na e nweghị ike ịkọwanwu nghọta dị na mkpụrụokwu ndị na-arụ ọrụ njikọ, dịka 'na', 'mana', mkpụrụokwu ndị na-arụ ọrụ njụ na ndị na-arụ ọrụ mbụụzọ, ngwaa dịka 'chọrọ', 'kwenyere', 'hụrụ' na ọtụtụ ndị ọzọ anya anaghị ahụ.

**Atụtụ Njirimee**

Atụtụ njirimee dịka Udemmadụ (2018) siri kọwaa bụ Ludwig Wittgenstein wepụtara ya n'afọ 1953. Atụtụ a na-akọwa na mpụtara okwu na-esite etu agbụrụ nwe asụsụ siri hụ ihe ahụ. Ọ rụtụrụ aka na ọ bụ ihe ndị nwe asụsụ chọrọ ka aha ihe pụtara ha ka mpụtara ihe ahụ ga-abụ. Nke a pụtara na mkpụrụokwu enweghị echiche wee ganye na ndị nwe asụsụ ahụ enye ya mpụtara. Ọ bụ nke a mere na otu ihe na-enwe aha dị iche iche n'agbụrụ maọbụ asụsụ dị iche iche. Ịmaatụ, ihe bụ 'ego' n'asụsụ Igbo pụtara 'money' n'asụsụ Bekee, pụta 'owo' na Yoruba ebe ndị Tiv na-akpọ ya 'nyarị', d.g.

Ndị Igbo sị na "ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ ga-aza". Ihe ọbụla ndị nwe asụsụ kpọrọ ihe, aha ahụ ka ihe ahụ ga-aza.Oge ọbụla a kpọrọ aha ahụ, echiche ndị nwe asụsụ ahụ agbaga n'ihe ahụ ozugbo.

**Nchọcha emerela n'isiokwu**

N'ebe a, a ga-atụle ihe ndị mmadụ derela metụtara isiokwu a.

Mbah na Edeoga (2012) ji mbụrụ na atụtụ nhụta echiche wee tụlee amụmamụ echiche ngwaa 'se' nke e ji usoro amụmamụ echiche nchenọgwa wee mee. Amụmamụ a lebara anya n'ụfọdụ ahịrịokwu gbadoro mgbọrọgwu na ngwaa wee chọpụta na echiche bụ nhụta ahịrịokwu ebe mbụrụ na atụtụ nhụta echiche nyere aka n'ịgbatị echiche. Nchọcha ha a bara uru n'ihi na ọ rụtụrụ aka na mbụrụ na aha metụtara isiokwu a na-ede maka ya mana o gbochaghị mkpa nchọcha a n'ihi na o webatara nkejiasụsụ ngwaa na nkọwa.

Umezi (2017) mere nchọcha na anụ nsọ n'obodo dị iche iche n'Anambara. Ebumnuche ya bụ ihe obodo ndị a ji asọ ya na mbụrụ metụtara anụ ndị ahụ n'echiche ndị

Igbo. O mejupụtazịrị ebumnobi ya site n'ịchọpụta anụ nsọ dị iche iche, obodo na-asọ ha na ihe kpatara ha ji bụrụ anụ nsọ. O zipụtara mbụrụ metụtara anụ nsọ ndị a. Enwe na-egosi onye na-arị elu nke ukwu, mbe na-egosi onye aghụghọ, ejula bụ onye dị nwayọọ ebe ọkwa bụ onye olu ya chara acha. Nchọcha Umezi bara uru maka na o mere ka ndị mmadụ mata anụ nsọ, obodo na-asọ ha na agwara anụmanụ ndị a rụtụrụ aka n'ihe a na-eme nchọcha na ya ebe a. Ọ dị iche na nchọcha a maka na ọ gbadoro ụkwụ na anụ nsọ mana ọ bara uru na nchọcha a n'ihi na nchọcha ha abụọ metụtara mbụrụ.

Wee (2004) na nchọcha ya maka mbụrụ metụtara anụmanụ site n'ọdịbendị gosiri na mbụrụ metụtara anụmanụ nwere echiche dị iche iche site na nsirihụ mba dị iche iche. O ji mba Peshịa maa atụ ebe ọ sịrị na anụ a na-akpọ awọrọ bụ anụ na-egosi aghụghọ na nsirihụ mba ahụ. Ya bụ, a sị na mmadụ bụ awọrọ, a mara na onye ahụ bụ onye aghụghọ. Nke a adịghị etu ahụ na nsirihụ mba ndị ọzọ. Ọ kọwakwara na anụmanụ ụfọdụ yiri onwe ha na mba dị iche iche. Iji maa atụ, nkịta bụ anụ ndị agbụrụ ọbụla na-ahụ dị ka anụ na-erubere onye nwe ya isi. Ya bụ, a sị na mmadụ bụ nkịta, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ na-erube isi. Nchọcha Wee bara uru maka na o gosipụtara mbụrụ na etu o si dị na nsirihụ mba dị iche iche. Nchọcha ya nyere aka iji ghọta ka nsara echiche ụfọdụ agbụrụ si dị nke rụtụrụ aka n'ihe a na-ede ebe a. Ma nchọcha a egboghị nsogbu nchọcha a bụ mbụrụ metụtara ntaji anya na nsirihụ ndị Igbo.

**Nchịkọta ntụlegharịagụmagụ**

Na nchịkọta ntụleghari agụmagụ, e lebara anya n'echiche ndị ụfọdụ e ji okwu ha agba izu n'ebe amụmamụ asụsụ dị. E lebara anya n'ọtụtụ ihe ha kọwara maka mbụrụ n'ụzọ dị iche iche. A gara n'ihu tụlee atụtụ echiche dị iche iche metụtara isiokwu a bụ atụtụ ncheke nakwa atụtụ njirime. Nchọpụta e nwetara site na ntụle niile e mereela gosiri na e debeghị ihe n'isiokwu amụmamụ a. Ọ bụ ya ka o jiri dị nnukwu mkpa ime nchọcha a.

**Atụtụnkọwasi (njirimee nchọcha)**

Atụtụ a ga-eji mee nchọcha a bụ atụtụ ndịna ncheke nke Lakoff na Johnson (1980) na atụtụ njirimee nke L. Wittgenstein (1953). Atụtụ ndịna ncheke na-akọwa na tupu nwata amụta asụsụ, ndịna gburu gburu nakwa ndịna ụbụrụ ga-abịakọrịrị ọnụ. Ya bụ, tupu a mata echiche okwu ọbụla, a gaghị elefere ọrụ ụbụrụ ma ọ bụ gburu gburu na-arụ anya. Ha kọwakwara na etu nwata si aghọta okwu ọhụrụ gbadoro ụkwụ n'ihe ọ maara na mbụ. Ọ ga-agbatị echiche ihe ọ mabụ ka o wee nabata echiche ihe ọhụrụ ọ nụrụ. Atụtụ a kọwakwara etu mbụrụ si eji echiche arụ ọrụ. Ha kọwara na mbụrụ na-eji otu ihe amado n'ihe ọzọ nke enweghị agwara ya.  Ebe ọ bụ na nchọcha a metụtara echiche maka mbụrụ metụtara ntaji anya na nsirihụ ndị Igbo, ọ dị mkpa iji atụtụ a kọwaa nchọcha a.

N'aka nke ọzọ, atụtụ njirimee nke Ludwig Wittgenstein (1953) bụ atụtụ dịkwa ire na nchọcha a. Ihe o ji dị ire bụ na atụtụ njirimee na-akọwa na echiche okwu ọbụla bụ ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ. Ihe nke a gosiri bụ na o nweghị okwu nwere echiche aka ya mana a ma na echiche nwere ọdịdị nnọrọonwe nke emetụtaghị ọnọdụ ya n'asụsụ ma ọ bụ n'atụmatụ okwu. A chọpụtara na echiche mbụrụ na-adị iche site n'otu asụsụ ruo n'asụsụ ọzọ. N'ihi nke a, ọ dị mkpa na e webatara atụtụ a na nchọcha a maka na nchọcha a metụtara echiche mbụrụ metụtara ntaji anya na nsirihụ asụsụ ndị Igbo.

**Ntụle mbụrụmetụtara ntaji anya na nsirihụ ndị Igbo**

Na nsirihụndụ ndị Igbo, e nwere ọtụtụ mbụrụ metụtara ihe dị iche iche dịka mbụrụ metụtara akwụna, mbụrụ metụtara anụmanụ, nke metụtara nzuzu wdg. Ma nke a ga-eleba anya n'ebe a bụ nke metụtara ntaji anya na nsịrịhụndụ ndị Igbo.

**a. Ntaji anya gbasara "anya mgbakasị"**

Echiche nkịtị - anya mebiri emebi
Echiche mbụrụ - Ọ na-agbakasịrị m anya.
Mpụtaraokwu- mmadụ enweghị nsọpụrụ n'ebe onye ka ya nọ.
Ndị Igbo na-ahụta onye na-agbakasịrị mmadụ ibe ya anya dị ka onye na-enwe ntaji anya n'ebe onye ahụ nọ. Okwu a bụ anya mgbakasị bụ okwu mbụrụ n'ihi na mgbe mmadụ kwuru na "onye a na-agbakasịrị mmadụ anya", anya bụ akụkụ ahụ mmadụ ji ahụ ụzọ mana ahịrịokwu a apụtaghị na onye ahụ na-eme ka anya ya na-agbasasị agbasa maọbụ na anya onye ahụ mebiri emebi kama na ọ pụtara na onye ahụ enweghị nsọpụrụ na ebe onye ọzọ nọ.

**Ntaji anya metụtara 'anya ụfụ'**

Echiche nkịtị - anya igbu mmadụ mgbu
Echiche mbụrụ - Ọ na-enwere m anya ụfụ
Mpụtaraokwu- mmadụ inwe ihe na-achọ ihe onye ọzọ nwere.
Na nsirihụndụ ndị Igbo, onye na-enwere mmadụ anya ụfụ bụ onye na-enwere ya ntaji anya. Inwere mmadụ anya ụfụ apụtaghị na anya na-afụ onye ahụ ụfụ maọbụ na ọ na-egbu ya mgbu kama ọ pụtara na onye ahụ nwere ihe ma na-etinyekwa anya n'ihe onye ọzọ nwere.

**Ntaji anya metụtara 'ụfụ obi'**

Echiche nkịtị - Obi igbu mmadụ mgbu
Echiche mbụrụ - Ọ bụ onye ụfọ obi n'ebe m nọ
Mpụtaraokwu- ihe mmadụ na-eme iwe mmadụ ezigbo iwe.
Obi bụ akụkụ ahụ mmadụ anaghị ahụ ihe na-eme ya anya. Ọ bụ ya ka akwụkwọ nsọ jiri kwuo na obi mmadụ dị aghụghọ nke ukwuu. Mgbe mmadụ nweere mmadụ iwe obi, ọ pụtara na onye ahụ na-ewe iwe n'ebe ihe onye ọzọ na-eme dị. Ndị Igbo na-ahụta onye nwere ụfụ obi maọbụ iwe obi dịka onye ntaji anya.

**Ntaji anya metụtara 'asịrị'**

Echiche nkịtị ya - Ikwu ihe agbasaghị gị
Echiche mbụrụ ya - Ọsị asịrị
Mpụtaraokwu- mmadụ ikwu ihe abụghị eziokwu iji megide onye ọzọ.
Na nsirihụndụ ndị Igbo, ihe na-emekarị mmadụ ji eji mmadụ ibe ya agba asịrị bụ ntaji anya.
Mgbe e kwuru na mmadụ na-agba asịrị, ihe nke a pụtara bụ na onye ahụ na-ekwu ihe abụghị eziokwu iji megide onye ọzọ.

**Ntaji anya gbasara 'ekworo'**

Echiche nkịtị ya - Mmadụ ikworo gaa otu ebe maọbụ ebe ọzọ
Echiche mbụrụ ya - Nwata a bụ onye ekworo
Mpụtaraokwu- ime ihe ọbụla mmadụ ibe gị mere.
Ndị Igbo nwere ka ha si ahụta onye ekworo. Ha na-ahụta ya dị ka onye ntaji anya. E nwere ike ịkọwapụta onye ahụ n'ụzọ a, onye ekworo nke pụtara onye na-atajiri mmadụ anya. Ya bụ na a sị na 'A' na-ekwosa 'B' ekworo, ihe ọ pụtara bụ na 'A' na-enwere 'B' ntaji anya mana onye aghọtaghị ya ga-eche na onye a na-ekwu maka ya bụ o kworo gaa ebe a, o kworo gaa ebe ọzọ. Ihe okwu a pụtara kpọmkwem bụ na mmadụ na-eme ihe ọbụla mmadụ ibe ya mere.

**Ntaji anya gbasara 'obi ọjọọ'**
Echiche nkịtị ya - Obi mmadụ adịghị ọcha
Echiche mbụrụ ya - Nweke bụ onye obi ọjọọ
Mpụtaraokwu- ichere mmadụ echiche adịghị mma iji megide onye ahụ.
Na nsirihụndụ ndị Igbo, mgbe mmadụ nwere obi ọjọọ n'ebe mmadụ ibe ya nọ, a na-ahụ onye dị etu a dịka onye nwere ntaji anya n'ebe onye ahụ nọ. Nke a pụtara na onye nwere obi ọjọọ na-echere mmadụ ibe ya echiche adịghị mma iji megide onye ahụ.

**Eserese nchịkọta**

| | Okwu mbụrụ metụtara ntaji anya | Echiche Nkịtị | Echiche Mbụrụ n'ụzọ atụtụ ncheke | Mpụtaraokwu |
|---|---|---|---|---|
| A | Anya mgbakasị | Anya mebiri emebi | Ọ na-agbakasịrị m anya | Mmadụ enweghị nsọpụrụ n'ebe onye ka ya nọ |
| B | Anya ụfụ | Anya igbu mmadụ mgbu | Ọ na-enwere m anya ụfụ | Mmadụ inwe ihe na-achọ ihe onye ọzọ nwere |
| CH | Ụfụ obi | Obi igbu mmadụ mgbu | Ọ bụ onye ụfụ obi n'ebe m nọ | Ihe mmadụ na-eme iwe mmadụ ezigbo iwe |
| D | Asịrị | Mmadụ ikwu ihe agbasaghị ya | Ọsị asịrị | Mmadụ ikwu ihe abụghị eziokwu iji megide onye ọzọ |
| E | Ekworo | Mmadụ ikworo gaa ebe a, gaa ebe ọzọ | Nwata a bụ onye ekworo | Ime ihe ọbụla mmadụ ibe gị mere |
| F | Obi ọjọọ | Obi mmadụ iru unyi ma dị njọ ile anya. | Ọ bụ onye obi ọjọọ | Ichere mmadụ echiche adịghị mma iji megide onye |

Okwu ndị a achọpụtara bụ mbụrụ metụtara ntaji anya na nsirihụndụ ndị Igbo dịka anya mgbakasị, anya ụfụ, ụfụ obi, asịrị, ekworo na obi ọjọọ bụgbado mbụrụ n'amụmamụ ncheke. O nwekwazịrị echiche nkịtị onye amaghị maka mbụrụ nwere ike inye ya ma nwekwazie nghọta ha na mbụrụ.

.

**Ihe ndị na-ebute ntaji anya na nsirihụndụ ndị Igbo**

Na nsirihụndụ ndị Igbo, e nwere ọtụtụ ihe a tụrụ anya nwere ike ibute ntaji anya n'ebe mmadụ na ibe ya nọ.

**Ibu iro na-ebute ntaji anya**

Na nsirihụndụ ndị Igbo, ibu iro pụtara mmadụ ịkọtọsị mmadụ ibe ya maọbụ na-eme omume ọjọọ ma na-ekwukwa okwu ọjọọ megide onye ahụ. Ọtụtụ mgbe, e nwere ike a gaghị enwe ihe ọbụla dị ka esemookwu n'etiti ha, ọtụtụ mgbe, ihe na-ebute ya na-abụ mgbagha. Ibu iro so n'otu ihe na-ebute ntaji anya na nsirihụndụ ndị Igbo.

**Esemookwu**

Na nsirihụndụ ndị Igbo, esemookwu bụ mgbe mmadụ abụọ maọbụ karịa nọ n'ọnọdụ anaghị atụpụrụ onwe ha ọnụ n'ihi nnukwu ndọrọ ndọrọ maọbụ ndị kwe ma ndị ekweghị. Esemookwu bụ otu n'ime ihe nwere ike ibute ntaji anya n'ebe mmadụ nọ na nsirihụndụ ndị Igbo.

**Nkewa**

Ọ bụ esemookwu na-ebute iro, iro ewetazie nkewa n'etiti ndị mmadụ. Ndị Igbo na-ahụtakwa ndị mmadụ nọ na nkewa dị ka ndị na-atajiri onwe ha anya.

**Ịkpọasị**

Na nsịrịhụndụ ndị Igbo, mgbe ịhụnaanya adịghị n'etiti mmadụ na ibe ya, ihe ga-adị ya ga-abụ ịkpọ asị. Ịkpọ asị na-eweta ntajị anya n'ebe mmadụ abụọ nọ.

**Anyaukwu**

Ndị Igbo na-ahụta onye anyaukwu dịka onye anaghị enwe afọ ojuju n'ihe o nwere. Nke a na-ebute ntaji anya n'ebe mmadụ nọ n'ihi na mgbe ihe mmadụ nwere ejughị ya afọ, ọ malite itinye anya na nke onye ọzọ.

**Agamniihu**

Agamniihu na ndụ mmadụ na nsirihụ ndị Igbo na-ebute ntaji anya. Iji maa atụ; mgbe mmadụ nwere ókéégō, ọ na-ebute ntaji anya n'ebe onye ahụ nọ. Ihe ọbụla bụ agamniihu, dịka ịga n'ihu n'ụlọ ọrụ, n'ezinaụlọ, n'agụmaakwụkwọ na-ebutekarị ntaji anya n'ebe onye nwere agamniihu nọ.

**Mmụọ ịsọmpi**

Na nsirihụndụ ndị Igbo, mmụọ ịsọ mpi na-ebute ntaji anya n'etiti mmadụ abụọ. Mgbe mmadụ chọrọ ka o gosi onye nke ọzọ na ya ga-emenwu ihe o mere maọbụ na ya ga-emenwu ihe karịa onye nke ọzọ, ụdị ọnọdụ a na-ebute ntaji anya n'ebe onye dị otu a nọ.

**Nchịkọta**

Na nchịkọta a, nwa nchọcha chọpụtara mbụrụ dị iche iche metụtara ntaji anya na nsirihụndụ ndị Igbo dịka anya ụfụ, iwe obi, anya mgbakasị, ụfụ obi, ekworo na obi ọjọọ. Nchọcha a gosipụtakwara ihe ndị ahụ atụtụ ncheke kọwara maka mbụrụ nke otu n'ime ha bụ na ọsụ asụsụ ga-eji ihe nhụrụnanya wee ghọta ihe nhụrụnuche. Nchọcha a gakwara n'ihu kọwaa ọtụtụ atụtụ dị iche iche dịka atụtụ njirieme, atụtụ ncheke na atụtụ nrụmaka. E lebakwara anya n'ihe dị iche iche nwere ike ibute ntaji anya dịka agamniihu, esemookwu, ịkpọ asị, nkewa wdg.

**Aro nwa nchọcha**

Nwa nchọcha na-atụ aro na ebe ọ bụ na e mebeghị nchọcha buru ibu n'isiokwu a, ka e nwekwuo ọtụtụ nchọcha n'isiokwu a iji chọpụtagasịa okwu mbụrụ ndị ọzọ metụtara ntaji anya. Ọ bụghị iwu na ọ ga-abụ na nsịrịhụndụ Igbo izugbe kama o nwere ike ịdị n'olundị. Nke a ga-enye aka inwe ọtụtụ ebe e deturu ụdị isiokwu a n'akwụkwọ, ọzọ ka a gharazie ịdị na-ahụta ya dịka atụmatụokwu na-ekwu na ihe bụ ihe ọzọ. Ọ bụkwa aro nwa nchọcha ka onye ọbụla nwere mmasị n'amụmamụ Igbo tụmadụ n'ebe o metụtara amụmamụ ncheke were akwụkwọ a guọ iji mata mbụrụ ndị metụtara ntaji anya na nsirihụndụ ndị Igbo nakwazị ihe nwere ike ibute ntaji anya n'ebe mmadụ na ibe ya nọ.

**Mmechi**

Nwa nchọcha gbalịrị imejupụta ebumnobi ya bụ ịtụle mbụrụ metụtara ntaji anya na nsirihụndụ ndị Igbo site n'ịchọpụta ụdị okwu mbụrụ dị iche iche nwere ike ịpụtakwa ntaji anya, ihe ụfọdụ dị iche iche nwere ike ibute ntajianya. E si na nchọpụta e nwetara hụ ihe ntaji anya pụtara, na ihe mbụrụ bụ n'amụmamụ ncheke.

**Edensibịa**

Agbedo, C.U. (2002). *General Linguistics*: *An Introductory Reader*. Nsukka: ACE resource consult.

Chinwe, U.O. & Udoka, E. (2012).*Nhazi Asụsụ Igbo maka Ule Sịnịọ Sekọndịrị*. Onitsha: Global Publishing.

Deigmen, A. 92003). "Metaphoric Expression and Culture: An indirect link". *Journal of Metaphor and Symbols*, vol. 18, ihu 255-271.

Finch, G. (2000). *Linguistic Terms and Concepts*. New York: Palgrave Macmillan.

Lakoff, G. (1987). WOMEN, Fire and Dangerous Things: What Categories Reveal about the Mind. Chicago: Univrsity of Chicago Press.

Lakoff, G. & Johnson, M. (1980). *Metaphors We Live* By, Chicago: Chicago University Press.

Lakoff, G. & Turner, M. (1989). *More than Cool Reason: A Field Guide to Poetic Metaphor*. Chicago: Univrsity of Chicago Press.

Malmkjer, K. (2002). *The Linguistics Encylopedia*. (2nd ed.) London: Routledge.

Mbah, B.M. & Edeogu, P.N. (2012). "The Semantics of the verb- 'se': A Cognitive Semantics study" Na *International Institute of Science, Technology and Education*, 2. 41-45.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Ngoesi, M.C. (2005). *Nchịkọta Ihe Ọmụmụ nke Asụsụ Igbo*. Nkpọọ: Optimal Press.

Ndimele, O.M. (1999). *Semantics and Frontiers of Communication*. Port Harcourt: University of Port Harcourt Publishing House.

Ofomata, C.E. (2013). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Ọnụchukwu, I. (2013).*Usoro Ihe Ọmụmụ Asụsụ Igbo*. Awka: Amaka Press.

Saeed, J.I. (2003). *Semantics*. Oxford: Blackwell Publishing.

Saeed, J.I. (2007). *Semantics*. Oxford: Blackwell Publishers.

Udechukwu, G.I., Ogbuagu, J.O. & Nnyịgide, N.M. (2015). *Ọmụmụ Agụmagụ na Omenaala Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Udemmadụ, T.N. (2018). *Ọmụmụ Nghọtaokwu*. Onitsha: Durability Prints.

Umezi, P. (2017). *"Nsara Echiche nye Mbụrụ Metụtara Anụ Nsọ n'Anambara Steeti"*. Ph.D. Semịna iji mezu nchọrọ ihe ọmụmụ AFL 904 na Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Wee, L. (2004). *Proper Names and Theory of Metaphors*. Cambridge: Cambridge University.